THE LANCET
Global Health

## Supplementary appendix 6

This translation in Igbo was submitted by the authors and we reproduce it as supplied. It has not been peer reviewed. The Lancet's editorial processes have only been applied to the original in English, which should serve as reference for this manuscript.

Supplement to: Igboh LS, Roguski K, Marcenac P, et al. Timing of seasonal influenza epidemics for 25 countries in Africa during 2010–19: a retrospective analysis. *Lancet Glob Health* 2023; **11:** e729–39.

**Umi edemede ihe odide**

**Mgbakwasa-ukwu** Iji data onyunyo obodo kpọmkwem wee kọwaa omume ntiwapụ ọrịa influenza nwere ike inye aka na ime mkpebi banyere oge ịgba ọgwụ mgbochi maka ọrịa influenza Anyị nyochara data onyunyo sitere na mba Afrika iji mara oge ntiwapụ ọrịa influenza iji nye aka n'imebe usoro ịgba ọgwụ mgbochi ọrịa na mba. Anyị ji data sentinel dị n'ihu ọha nke sitere na mba ndị na-eme mkpesa na netwọk nke Global Influenza Surveillance and Response (GISRS) nke nwere data afọ 3-10 nke anakọtara n'oge 2010-2019.

**Usoro** Anyị gbakọtara izu-uka 3 ziri ezi na-agaghari agaghari nke nha nke ihe nlele dị mma maka nje influenza ma nyochaa oge ntiwapụ ọrịa na-efe efe site na iji usoro nchịkọta mkpokọta.. Mbido na njedebe kwa oge ntiwapụ ọrịa na-efe efe bụ ihe akọwara dịka izu-uka mbu n'oge nha gafere ma ọ bụ gbadara n'ụzọ dị ala kwa afọ, n'otu n'otu, maka ≥izu-uka 3 nke na-esochi. Anyị kewapụtara mba n'ime usoro ntiwapụ ọrịa na-efe efe ise: Ntiwapụ ọrịa na-efe efe nke Northern Hemisphere (NH) na-eme n'ọnwa Oktoba-Mach, Southern Hemisphere (SH) na-eme n'ọnwa Eprel-Septemba, n'ụzọ bụ́ isi NH nwere ụfọdụ ntiwapụ ọrịa na-efe efe n'ime ọnwa SH, n'ụzọ bụ́ isi SH na ụfọdụ ntiwapụ ọrịa na-efe efe n'ime ọnwa NH, na mbufe nke ọrịa influenza n'ime afọ na-enweghị ihe a na-ahụ anya nke NH ma ọ bụ pụtara ihe nke SH.

**Nchọpụtagasị** Iri abụọ na ise (74%) nke mba 34 GISRS nwere data kariri ma ọ bụ dị nhata afọ 3, na anochiteanya 46% nke mba dị na Afrika, yana 89% nke ọnụ ọgụgụ mmadụ na Afrika. Enwere ntiwapụ ọrịa na-efe efe 248 n'ofe data afọ 236 nke obodo (nke etiti: 10; ọgbata: 7-10 kwa mba). Mba isii (24%) nwere ụkpụrụ NH (Algeria, Egypt, Tunisia, Burkina Faso, Niger, na Morocco). Asatọ (32%) nwere ụkpụrụ nke NH n'ụzọ bụ́ isi ma nwee ụfọdụ ntiwapụ ọrịa na-efe efe nke SH (Cameroon, Ethiopia, Mali, Nigeria, Senegal, Togo, Tanzania, na Mozambique). Atọ (12%) nwere ụkpụrụ nke SH n'ụzọ bụ́ isi ma nwee ụfọdụ ntiwapụ ọrịa na-efe efe nke NH (Ghana, Kenya, na Uganda). Atọ (12%) nwere ukpuru nke SH (Central African Republic, Zambia, na South Africa). Ise (20%) enweghị NH ma ọ bụ mpụta ihe nke SH (Cote D'Ivoire, Democratic Republic of Congo, Rwanda, Madagascar, na Mauritius).

**Nkọwa** Ọtụtụ mba nwere oge ntiwapụ ọrịa na-efe efe nke ọrịa influenza amatara maka iji gwa ndị ọchịchị maka omume ọrịa influenza nke na-abụghị n'oge yana nke bụ n'oge mbufe ya, na-eduzi oge ịgba ọgwụ mgbochi ọrịa, ma kwalite mmemme ntinye aka n'oge.

**Nkwado ego** Ọnweghị